# NZIPỤTA MPỤTARA ASỤSỤ ÒTÙ ỤMỤAKWỤKWỌ A HỌỌRỌ NA STEETI IMO

**Ọlachi Florence Okere**
**Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Ala Naịjirịa na Lingwistiks,**
**Alvan Ikoku Fedral Kọleeji Keedukeshọn, Owere**
**08038002552**
olaedo1976@gmail.com

**&**

**Florence Uju Ibeh (Ph.D)**
**Department Of Igbo, African And Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**E-mail:** uf.ibeh@unizik.edu.ng

## Ụmịedemede
Asụsụ bụ ndụ mba ọbụla. Asụsụ ọbụla dị ndụ na-eto eto. Ọ bụkwanụ site n'inwete okwu ọhụrụ dị iche iche ka asụsụ si eto ma baa ụba. A bịa n'ihe banyere asụsụ òtù ndị e nwegasịrị, ha juru eju bara abara. Asụsụ ndị a nwere ike ịbụ asụsụ ndị òtù nzuzo, asụsụ ndị nọ n'ụlọ mkpọrọ, asụsụ ndị uweojii, asụsụ ndị dibịa Bekee, asụsụ ndị abalị dị égwù, asụsụ ndị ọkaikpe, asụsụ ndị nkuzi, asụsụ ndị ọrụ n'ọbaego, wdg. Mana edemede a gbakwasịrị ụkwụ sọọsọ n'asụsụ òtù ụmụakwụkwọ Ihe kpaliri mmụọ nchọcha bụ ihe ahụ na-ekewapụ mmadụ na ibe ya ịghọta asụsụ ọzọ n'abụghị asụsụ izugbe. Mbunuuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe mere ndị òtù a ụmụakwụkwọ ji akparịta ụka n'asụsụ òtù ha, ọ kachasị mgbe ha nọkọtara ọnụ. Nchọcha a bụ nke usoro nkọwasị ma jiri tụmbọm tụmbọm họrọ ndị a gbara ajụjụọnụ. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ njirime nke Ludwig Wittgenstein tụpụtara n'afọ 1953 nke na-akọwa na aha ọ bụla agbụrụ nyere okwu ga-abụzi mpụtara okwu ahụ. N'ikpeazụ, a chọpụtara na ihe kpatara ndị òtù a ji asụsụ òtù ha akpagasị nkata n'etiti onwe ha oge niile bụ ka ha nwee ike zonahi ndị mmadu okwu ndị ha achọghị ka ndị ọzọ mata. Nchọpụta ọzọ bụ na asụsụ òtù na-abawanye akpaokwu asụsụ Igbo. A chọpụtakwara na asụsụ òtù nwere ike ibute nnupụ isi n'usoro ọsụsụ asụsụ izugbe. A pịachiri edemede a site n'ịtụ alo ka ụmụakwụkwọ ndị a jisie ike na-eji asụsụ òtù ha ndị a gasị na nkata ha na-akpagasị oge ọ bụla maka mmụbanye akpaokwu asụsụ Igbo.

Isiokwu ndị gbara ọkpụrụkpụ bụ ndị a: **Mpụtara, Asụsụ òtù na Asụsụ Igbo**.

## Mkpọlite
Asusu òtù ndi e nwere juru eju bara abara dịka asụsụ òtù ndị ọchọọ ndị njem, ndị nkụzị, ndị dọkịnta, wdg mana nke ndị nchọcha gbakwasịrị ụkwụ na ya kpọmkwem na nchọcha a bụ asụsụ òtù ụmụakwụkwọ sọọsọ. Ihe mmadụ ji ekwupụta mbunuuche ya n'ebe onye ọzọ nọ bụ asụsụ. Asụsụ dị ụdị abụọ pụtara ìhè; ekwurunọnụ na ederede. Iji mee ka nghọta dị mfe n'etiti mmadụ na ibe ya, a ga-enwerịla asụsụ ga-ejikọta onye ahụ na ibe ya. Nke a mere e jiri nwee olundị na Igbo izugbe. Ọ bụghị onye ọbụla nwere ike ịghọta olundị ụfọdụ. Mana mmadụ niile na-aghọta asụsụ izugbe. Mgbe asụsụ bịara kewapụ mmadụ na ibe ya, e nweela okwu zoro ezo ndị òtù ahụ achọghị ka

ndị ọzọ mata. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a kpọlitere mmụọ nwa nchọcha ileba anya n'isiokwu nchọcha a.

**Nkọwami Ọkpụrụkpụ Okwu ndị Metụtara Isiokwu**

**Mpụtara**

Mpụtara dị ka aha ya siri dị bụ ihe mmadụ na-elekwasị anya n'ebe okwu e kwuru ekwu dịgasị iji mejupụta mbunuuche ozi e ziri. Nke a pụtara na okwu ọbụla mmadụ kwuru nweriri ihe ọ na-akọwa. Ọ bụ ya mere o jiri dị mkpa mmadụ ige ntị nke ọma n'ozi e ziri ya. Mpụtara na-agbado ụkwụ etu ndị ji ya kwue okwu siri hụta ya. Mmadụ nwere ike buru ihe ọzọ n'obi kwue okwu, onye ọ na-agwa okwu eburu ihe ọzọ n'obi ma ọ bụ nye nghọta ọzọ n'ihe onye kwuru okwu bù n'obi. Ọ bụ nke a mere ngalaba nghọtaokwu jiri dị mkpa n'amụmamụ sayensị asụsụ bụ Lingwistiks.

N'aka nke ọzọ kwa, e nwere ike ile mpụtara anya dị ka nghọta dị n'okwu ma ọ bụ ahịrịokwu ọbụla asụsụ nwere. Lyons (1977) n'ime Anagbogu, Mbah na Eme (2010) kwupụtara na nghọtaokwu na-eleba anya n'ihe gbasara mpụtara okwu nwere. N'ịga n'ihu, ha gbakwụnyere na nghọtaokwu bụ ogo ikpeazụ ma a bịa n'ihe gbasara ntụchasị ụtọasụsụ. Ha kọwapụtara na otu ihe dị mkpa gbasara mpụtara okwu bụ ihe e bù n'obi kwue okwu n'otu oge. Ọmụmaatụ ha nyere na Bekee bụ: *'don't be silly' or 'don't be an ass'*. Ha sịrị, 'Ọ bụ eziokwu na aha anụmanụ a a kpọrọ *'ass'* bụ anụ nwere ụkwụ anọ, ọ bụ mmadụ ka a na-arụ aka mgbe a na-ekwu maka ya n'abụzighị anụmanụ ahụ n'ihi agwara anụmanụ ahụ nwere.

N'aka nke ọzọ, Ndimele (1999:1) kọwara amụmamụ asụsụ bụ lingwistiks nke na-akọwa ihe ọbụla gbasara nghọta na ka nghọta ahụ siri metụta ihe okwuu bù n'uche kwue ya. N'uche Babatunde (1995:2), mpụtara bụ izipụta echiche mmadụ site n'asụsụ. Ọ gakwara n'ihu kwupụta na mpụtara a a na-ekwu maka ya bụ ọmụmụ gbasara nghọta n'asụsụ, iji ghọta ọdịdị asụsụ na etu ndị mmadụ si asụ ya, tinyere ịghọta etu asụsụ ọbụla si arụ ọrụ.

**Ụdị echiche dị iche iche**

- **Echiche ọkpụrụkpụ Okwu/Echiche Nkịtị (*Conceptual denotative meaning)***
  Nke a na-akọwa na etu echiche òtù mkpụrụokwu dị na-abụkarị etu nghọta nkịtị ya dị. Ya bụ, ọ bụ etu echiche ahụ a kpọpụtara ma ọ bụ e kwupụtara aha ya bụ ihe na-akpọlite mmụọ ọnụụ. Iji maa atụ, 'nkịta' bụ anụ ụlọ nwere ụkwụ anọ a maara amara na-anọkarị n'ọsọ oge ọbụla ma ọ bụ, anụ na-ejekarị ije ọsọọsọ. Echiche onye 'nna' bụ nwoke tozuru òkè n'ihe e ji mmadụ eme wdg.

N'uche Ndimele (2007:40), echiche ọkpụrụkpụ okwu mgbe ụfọdụ bụ mkpụrụokwu nwere echcihe nkịtị ihe a mabù ama nakwa ozuru agbụrụ ọnụ. N'okwu ya, mpụtara okwu ọbụla n'akwụkwọ ọkọwaokwu anaghị agbanwe agbanwe. O nwekwaghị ike ime ka a hapụ ịmata ihe okwu ahụ bụ site n'ụda ya n'ebe okwuu ma ọ bụ n'ebe ọnụụ nọ. Ọ gara n'ihu kwue na, agbụrụ ọbụla na-asụ ma na-anụ otu asụsụ na-aghọta mpụtara okwu ọbụla e kwuru. Ọmụmaatụ o nyere bụ '*boy'* n'asụsụ Bekee. Ọ sịrị na ụdị echiche a n'ebe mkpụrụokwu a bụ '*boy*' zuru ụwa ọnụ ma bụrụ ihe a ga-eji tụlee gwara echiche ha. Ịma atụ; e nwere ike iji mpụtara *'boy'* tụlekọrịta *'girl'* dị ka:

| boy | girl |
|---|---|
| + HUMAN | + HUMAN |
| + MALE | - MALE |
| - ADULT | - ADULT |

Nsirinwete: Ndimele (2007)

Site na nkọwa Ndimele (2007), echiche ndị e gosipụtara n'elu ebe a na-akọwapụta echiche mkpụrụokwu ndị ahụ n'ihi na ọ bụrụ na agwara echiche mkpụrụokwu ndị ahụ bụ (+), ọ gaghị abụzi (-). Ihe ọ pụtara bụ, okwu a na-atụle bụ ihe a na-elekwasị anya n'ebe ndị na-asụ asụsụ ahụ nọgasị.

Leech (1980:11) n'otu aka ahụ dere; ụdị echiche a na-enyetụ nsogbu nghọta ma bụrụkwa echiche dị mkpa n'ebe asụsụ dị, nke na o nweghị onye nwere ike ịkọwanwụ ihe bụ asụsụ n'ejighị ya. Nwaamadị a kwupụtara na, ụdị echiche a kacha dị mkpa na mkparịtaụka. O kwukwara na agbụrụ ọbụla na-asụ otu asụsụ tosịrị ịnabata mpụtara echiche okwu ọbụla ha kwuru, ebe ọ bụ na ha nabatara usorookwu asụsụ ahụ.

- **Echiche Nsinandịkọ (*Collocative associative*)** dị ka echiche na-elebakarị anya n'etu mkpụrụokwu na ibe ya si agakọrịta ọnụ. Ha gbakwụnyere na ụdị echiche a na-agbakarị mkpị ma ọ bụ nke na-adị n'ụdị nkwukwugha mgbe ọbụla a kpọrọ otu aha, nke ọzọ abịazie wepụtachaa echiche nke ọzọ. Mkpụrụokwu ndị ahụ na-agakọrịta ọnụ bụ ndị a; akị na ụkwa, nne na nna, okwu na ụka, ọnwụ na ndụ, ọka na ube, ọgụ na mgba, ọnwa na kpakpando, ọkụ na mmiri, elu na ala, di na nwunye, wdg. Ọmụmaatụ ha n'ahịrịokwu gụnyere: (i) Akị na ụkwa na-atọ ụtọ (ii) Nne na nna dị mkpa n'ezinaụlọ (iii) Okwu na ụka adịghị mma (iv) Ọnwụ na ndụ bụ ihe Chukwu kere (v) Ọka na ube na-eju afọ (vi) Ọgụ na mgba na-ebute ọnwụ ike (vii) Ọnwa na kpakpando bụ ihe ndị Chukwu kere (viii) Ọkụ na mmiri naghi agakọ (iụ) Chineke kere elu na ala (ụ) Di na nwunye na-ese okwu.

N'ikpeazụ, e nwere ike ịhụta echiche nsinandịkọ dị ka echiche otu mkpụrụokwu na-ewepụta karịa ihe e bù n'úchè. Ọ na-agbanwe agbanwe dị ka chi ya siri kee ya. Ọzọ kwa, ụdị echiche a na-emetụta okwu a bụ '*sex*' n'asụsụ Bekee. Ihe okwuu ma ọ bụ ọnụụ bù n'úchè ma ha nụ ya ma ọ bụ kwue ya na-abụkarị mpụtara agbụrụ ma ọ bụ omenala ahụ dị ka ha siri kwekọrịta.

Oge ụfọdụ, mmadụ nwere ike kwue okwu iji mee ka ọnụụ ghọta ihe okwuu bu n'uche wee kwue ya. (Barnwell 1980). Echiche nsinandịkọ dị ka Crystal (1997:69) siri hụ ya bụ echiche na-ekwu maka mkpụrụokwu ndị ahụ na-agakọrịta ọnụ oge ọbụla. N'okwu ya, ọ sịrị na ụdị echiche a bụ ụdị echiche mkpụrụokwu na-ezipụta ihe a tụrụ anya ya n'okwu site n'iwu ọ na-edobe. Ụdị okwu ndị ahụ na-agakọ ọnụ na-esite etu chi ha siri kee ha. Okwu ndị a na-agakọ ọnụ ka a na-akpọ ntụgwa ya na ibe ya, ọmụmaatụ; oke na nne, òké na ngwere, esekere na edima, ụtụtụ na atụ, wdg. Ọmụmaatụ ha n'ahịrịokwu bụ ndị a:

(i) Nwa dibịa gwara ya ka o wete óké na nne ngwere.
(ii) Òké na ngwere ejupụtala ime ọhịa.
(iii) Ma esekere na edima gafere ule ahụ.
(iv) Ọla na Onyinye bụ ụtụtụ na atụ.

- **Echiche Nsina *(Connotative meaning)***

Echiche nsina na-abụkarị echiche e siri na mgbaatị echiche ma ọ bụ mgbanwe sitere na nghọta dịbu adị e siri n'ụfọdụ mkpụrụokwu nwete. Echiche nsina na-adịkarị n'ụdị atụmaatụokwu, ịma atụ, echiche nsina **'ezi bụ iru oke unyi', mbe bụ ịghọ̀ aghụghọ, ụmụnwaanyị bụ ime ihere, mkpi bụ akwamiko,** wdg. Ọ dịkwa mkpa ime ka a ghọta na ọ bụ omenala tinyere echiche nsina mkpụrụokwu ndị a a na-ekwu maka ha (Anagbogu, Mbah na Eme 2010).

- **Echiche Mmetụta *Affective meaning)***

Nke a dị ka echiche a kọwapụtara site n'echiche onwe, ya bụ, aha e nyere ihe dị ka e siri hụta ya n'ọnọdụ a hụtara ya bụ ihe. Aha ịhụnanya sonyere n'echiche mmetụta na nghọtaokwu, ọmụmaatụ: di na nwunye ndị oge ugbu a na-akpọkọrịta onwe ha ụdị aha ndị a dị iche iche dị ka: nne m, nna m, mmanụ aṅụ m, onye nke m, ọdịmnobi, ịhụnanya m, wdg. ịji gosipụta ụdị ịhụnanya ha nwere n'etiti onwe ha.

- **Echiche Eziokwu (*Ostensive meaning)***

Echiche eziokwu n'uche Anagbogu, Mbah na Eme (2010) bụ ụdị echiche mkpụrụokwu nke na-eleba anya n'ụzọ dị iche iche e si ezipụta ma ọ bụ gosipụta mkpụrụokwu n'ozuzu òkè. Echiche mkpụrụokwu ndị a na-adịkarị ìrè n'ogo dị iche iche na gburugburu ala anyị, dịka ogo ọtaakara. Iji maa atụ: ịkụrụ nwata akwụkwọ mere nke ọma aka.

**Asụsụ Òtù**

Ọtụtụ mgbe ka a na-ajụ ihe asụsụ òtù pụtara. E nwere ike ile asụsụ òtù anya dị ka 'slangị', n'asụsụ Bekee. Asụsụ òtù bụ asụsụ ọpụrụiche òtù dị iche iche na-eji akparịta ụka n'etiti onwe ha iji kewapụ ndị ọzọ n'ebe ha nọ. Oge ụfọdụ, ha chọọ ịkpa nkata dị aṅaa, ọ kachasị nkata ha achọghị ka ọhanaeze ma ọ bụ onye ọzọ nụ ya, ha ga-eji ya kparịta ụka.

N'otu aka ahụ, o nweghị onye nwere ike ịkọwa ka okwu a bụ asụsụ òtù siri malite n'ụwa dum gbaa gburugburu, kama ya bụ okwu akaala ńká dị ka ọ dị ugbu a. Otu ihe dị mkpa bụ na etu ọ dị na mbụ abụghị ka ọ dị ugbu a. Ọ bụ nke a mere Oluikpe (1987) jiri kwue na ndị a ga-asị malitere asụsụ òtù n'uche ya bụ ndị odee, ndị ọhazi mmemme/emume, òtù dị iche iche tinyere ka omenala ha kwekọrịtara n'iji ya bụ okwu akpa nkata n'etiti onwe ha. Ọ gara n'ihu kwue na ụfọdụ asụsụ òtù ndị e nwere taa sitere n'aka ndị obodo ụfọdụ. Ọ gbakwụnyere na asụsụ òtù a enyela aka pụrụ iche n'ime ka mkpụrụokwu Igbo ndị e nweburu enwe mụbaa karịa ka ha dị na mbụ.

Asụsụ òtù bụ ụmụ okwu ndị ahụ dị aṅaa a na-asụgasị n'etiti òtù na ibe ya. Ọ bụ n'ọnụ ndị ntorobịa nọgasị ebe dị iche iche ka a na-anụ ya karịsịa. Otu ihe dị mkpa gbasara asụsụ òtù a bụ na mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ na onye esonyeghị n'òtù a nọdụ ebe ha na-akpa nkata, onye ahụ agaghị aghọtacha ụfọdụ okwu ndị ha na-ekwu. Nke a mere Oluikpe na Anasiudu (2006) jiri kwupụta na asụsụ òtù bụ ụmụ okwu ndị ahụ dị aṅaa ndị mmadụ na-eji ekwurịta okwu n'onwe ha iji mee ka okwu na-amụbanye, ọ kachasị n'ebe ndị ntorobịa nọ. Ha gbanwụnyere na n'agbanyeghị na asụsụ a na-arịzi ibe ya elu n'oge ugbu a, ọ pụtaghị na ọ bụ ya ka a ga-eji eme asụsụ izugbe ma ọ bụ asụsụ a nabatara maka nkwurịta okwu n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọzọkwa, asụsụ òtù na-enyere ndị na-asụ ya aka ime ka okwu dị ụtọ na ntị ọnụụ.

Nwala (2004:177) depụtara na asụsụ òtù bụ otu n'ime asụsụ nkwukọrịta okwu ndị e nwere. Ọ gbakwụnyere na otu ihe kacha dị mkpa gbasara asụsụ òtù a bụ etu e si eji ya ekwu okwu ndị dị aṅaa nakwa n'oge o kwesịrị. Ọ sịkwara n'ezie, na ọ hịara ahụ ịkọwa ihe bụ asụsụ òtù kpọmkwem. N'ịga n'ihu, ọ sịrị na e nweghị ihe ga-eme ka a gụnye

asụsụ òtù n'asụsụ izugbe. Na nkọwa ya, asụsụ òtù dị iche n'olundị. N'uche ya, ndị na-ejikarị asụsụ òtù akpa nkata oge ọbụla na-abụkarị ụmụakwụkwọ nọgasị n'ụlọakwụkwọ ogo dị elu. Mana ugbu a, ihe agbanweela n'ihi na ndị mmadụ na-ejizi ya bụ asụsụ akpa nkata, ọ bụladị n'okporoụzọ ndị gbara ha gburugburu.

Asụsụ òtù dị ka Mbata na Ajileye (2009) siri kọwaa malitere oge gboo, ihe dị ka senchuri iri na asatọ. Ọ bụ asụsụ a maara amara ndị omekeome ji akparịta ụka n'etiti onwe ha na mba Lọndọn. Ha sịkwara, ka oge na-aga, ya bụ asụsụ bidoro gbasawa na mba ndị ọzọ dịgasị na gburugburu ụwa niile. N'oge ugbu a, ọ bụzi ihe e ji akpa nkata n'ụwa niile n'etiti mmadụ na ibe ya, ọ kachasị n'ebe ndị ntorobịa ugbu a nọgasị. O nwere ike ndị na-esoghị n'òtù ahụ agaghị aghọtacha mpụtara okwu ndị ahụ.

Adeyanju (2007:266) hụtara asụsụ òtù dị ka asụsụ e ji akparịta ụka n'oge ugbu a nke nghọta ya zuru òkè ma mpụtara ya na-adị ọhụrụ karịa ka ọ dị n'oge ndị gara aga. A na-eji ya bụ asụsụ akparịta ụka n'agbanyeghị na ọ bụchaghị asụsụ izugbe. Ọ gbakwụnyekwara na etu asụsụ a si arị ibe ya elu n'ebe ndị mmadụ nọ dị egwu n'oge ugbu a, nke na ọ bụrụ na a maghị ihe e mere, e nwere ike ịnabata ya ka o sonye n'asụsụ izugbe. N'okwu ya, e nwekwara ike ile asụsụ a anya dị ka asụsụ na-ewu ewu n'etiti òtù na ibe ya. Asụsụ òtù ndị ohi ji akparịta ụka na-adị iche na nke ndị dibịa Bekee.

Udofot (1999:18) kọwara asụsụ òtù dị ka okwu ndị e si n'okwu ochie nye aha ọhụrụ dị ka ụmụ okwu ọhụrụ n'aka onye na-asụ ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na otu ihe kacha mkpa gbasara asụsụ a bụ ịchọpụtasị ụdị dị iche e si enwete okwu ọhụrụ n'ọdịdị asụsụ. O kwukwara na okwu ọhụrụ ndị a na-ekwu maka ha na-esite n'ọnọdụ lingwistiks. N'otu aka ahụ kwa, Ekpenyong (2008:57) na-ekwukwa na asụsụ òtù bụ ụzọ e nwere ike isi gbakwụnye okwu ọhụrụ na nke dị adị n'asụsụ ahụ.

Galperin (1977:107) sịrị na asụsụ a bụ isite n'okwu ochie dịbu adị fere n'ọzọ ma ọ bụ nwete okwu ọhụrụ nke mbunuuche ya bụ ime ka asụsụ bawanye n'ụzọ pụrụ iche. Muhammad (2016:46) depụtara na asụsụ òtù bụ asụsụ amụghị amụ site na nwata, asụsụ abụghị nke izugbe na-adịkwa aṅaa na ntị nke a na-anụgasị n'ọnụ òtù dị iche iche. Ọ gbakwụnyere na asụsụ a agateela aka na mba ụwa dum.

N'otu aka ahụ, Nwokedi na Nwokedi (2013) kọwara ya bụ asụsụ dị ka asụsụ ọpụrụiche nke e ji akọwagasị echiche na ihe ndị ọzọ dị iche iche n'ụzọ ọhụrụ. Ha kwukwara na asụsụ òtù na-enye okwu izugbe echiche ọhụrụ ma site na ha kewapụta okwu ọhụrụ iji dochie anya mkpa ọ dị n'ebe mkparịtaụka dị. Wardhaugh (1992:220) na-ekwu na asụsụ òtù dị ka ótù n'ime asụsụ ndị abụghị asụsụ izugbe e ji akparịta ụka iji ghọta okwu ọsọọsọ ma gbubilata nghọta okwu ahụ n'ụzọ mkpirisi. Ọ gbakwụnyere na ọ bụ eziokwu na asụsụ a nwere ike ịga werewere n'ọnụ, dị mfe okwukwu ma dịkwa ụtọ na ntị mana dị ka ọ dị ugbu a, ọ bụ ya ka ọtụtụ mmadụ ji akparịta ụka, ọ kachasị n'ebe ndị ntorobịa nọgasị. Ọ bụ ihe na-enye ha ọṅụ, nnwereonwe na ịkwụdosi ike. N'ịgbakwụnye ihe n'okwu nwaamadị a, o mere ka a ghọta na okwu a bụ asụsụ òtù na-eme ka ndị mmadụ na-enwe ọṅụ n'ime onwe ha mgbe ha na-eji ya bụ okwu akparịta ụka ma nupụzie isi n'iwu na-achịkwa ụtọasụsụ. N'ịga n'ihu, ọ sịrị na asụsụ òtù na-eme ka ndị na-asụ ya sonye n'ihe a na-eme n'etiti òtù ndị na-asụ ya ma kewapụ ndị esonyeghị n'òtù bụ ndị amachaghị asụsụ a nke ọma.

Ọzọkwa, Brook (2000:92) n'aka nke ya mere ka a mata na asụsụ òtù na olundi abụghị ótù ihe n'ihi na asụsụ òtù kpara àgwà ka asụsụ ma ọ bụ okwu njakịrị, ebe olundị pụtara asụsụ dị omimi nke dịbu adị ma bụrụ asụsụ ndị nwe olu ahụ ji ekwupụta

mbunuuche ha n'ụzọ dị mfe. Ọ gbakwụnyere na iji asụsụ a akparịta ụka bụ na mmasị n'abụghị na mmanye ọbụla nye ndị na-asụ ya n' ótù oge. Ndị nchọcha na-ekwukwa na asụsụ a bụ asụsụ òtù dị iche iche ji akọwa mbunuuche ha. E nwekwara ike ịkpọ ya okwu òtù, okwu ofega ma ọ bụ okwu njakịrị bụ nke na-eme ndị òtù ahụ obi ọma mgbe ha na-ekwupụta ya.

**Asụsụ Igbo**

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ dị ka asụsụ e jiri mara ha ma ọ bụ asụsụ nne ha. E nwekwara ọtụtụ olundị ndị na-apụta ìhè n'ime asụsụ Igbo mana Igbo na-atụ ilu sị "Igbo na-asụ n'olu n'olu mana ha kwaa ụkwara ọ bụrụ ótù". Ihe nke a pụtara bụ na n'agbanyeghị olundị dịgasị n'asụsụ Igbo, ndị Igbo na-aghọtakwa onwe ha.

Okere (2020) na-ekwu na asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị a na-akpọ ndị Igbo ji aghọta onwe ha, ebe ọ bụ na asụsụ zuuru ndị nwe ya òkè. N'otu aka ahụ, Chukwukere (2015) mere ka a mata na asụsụ Igbo na-echetara onye Igbo na ya bụ Igbo n'eziokwu na kwa ebe onye ahụ siri bịa ụwa. Ọ gbakwụnyere na ọ bụ asụsụ Igbo nyere onye Igbo ikikere ịza nwaafọ Igbo; na ya abụghị Igbo nke adịgboloja ma ọ bụ awarawa.

Asụsụ Igbo so n'ime ótù asụsụ ndị gọọmenti họpụtara ka ọ bụrụ asụsụ a ga-akụzi n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na kwa sekọndịrị. Asụsụ Igbo bụ onyinye pụrụ iche sitere n'aka Chukwu. Ọ bụ ya jikọtara ndị Igbo niile ọnụ n'ụdị asụsụ ha, omenala ha, akparamagwa ha na ụdị nkwenye ha nwere n'ebe ịdị ndụ ha dị, okpukperechi ha, nkwenye n'ebe mmụọ dị; Chukwu, agbara/arụsị na chi dị iche iche (Okere, 2015).

Okafọ na Ewelụkwa (2012:10) sịrị na asụsụ Igbo bụ ótù n'ime asụsụ e nwere n'ụwa. Ha sịkwara na ọ bụ asụsụ e ji wee mara ndị Igbo ndị mpaghara ebe obibi ha dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjịrịa. Ha mere ka a mata na e nwegasịrị ụfọdụ steeti ndị na-asụ asụsụ Igbo dị ka steeti Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. Ha kwukwara na e nwekwara mpaghara ụfọdụ a na-asụgasị Igbo dị ka na steeti Delta na Rivas. N'ikpeazụ, ha gbakwụnyere na asụsụ Igbo nwere olu e ji asụ ya dị ka ọ dị n'asụsụ ndị ọzọ n'ụwa dum. Ha sịrị na olu abụọ pụtara ìhè e ji asụ asụsụ Igbo bụ olundị/olumba na Igbo izugbe.

**Uru Asụsụ Igbo Bara**

- i. Ọ na-eweta ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya.
- ii. E ji ya azụlite ụmụaka n'ezinaụlọ.
- iii. E ji asụsụ Igbo akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ.
- iv. Ọ bụ ya ka e ji azụkọrịta ahịa.
- v. E ji ya edepụta edemede dị iche iche.
- vi. A na-eji ya éfè òfùfè n'ụlọụka dị iche iche.
- vii. Ndị Igbo na-eji ya ezipụta omenala na ọdịnala obodo ha dị iche iche, wdg.

**Njirimara Asụsụ Igbo**

- i. Ọ bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ.
- ii. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu.
- iii. Asụsụ Igbo enweghị jenda dị ka ọ dị n'asụsụ Bekee na Latin.
- iv. Asụsụ Igbo bụ asụsụ òtù 'KWA'.
- v. Asụsụ Igbo so n'asụsụ ụdị mmebe usorookwu ha na-adị n'ụdị I.N.N dị ka:

| | | |
|---|---|---|
| Ada | gbara | ọsọ |
| I | N | N |
| Isiokwu | Ngwaa | Nnara |

- vi. Asụsụ Igbo bụ asụsụ na-agbaso iwu ndakọrịta ụdaume.

vii. Asụsụ Igbo bụ asụsụ nke nkọwaaha na-esokarị aha ọ na-akọwa dị ka: ewu ojii, nwoke ọjọọ, nwaanyị ọcha, nwa ọma, wdg.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka n'etiti onwe ha ma kọwapụta mbunuuche ha tinyere igbo mkpa dịịrị ha. Asụsụ nwere nke ekwurunọnụ, ederede na nke e ji mmegharị ahụ ezipụta. Ma n'ime asụsụ niile a, ekwurunọnụ tọchara ha niile n'ihi na a ga-ebu ụzọ sụọ asụsụ tupu e depụta ya. Ọ bụrụ na asụsụ adịghị n'ụwa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya ga-ahịa ahụ.

Dike (2004:3) kọwara asụsụ dị ka njirimara ọhanaeze. Ọ bụkwa okwu nwere ezigbo usoro na akọnauche dịkọtara ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ na ihe e ji ama mba ma ọ bụ obodo a haziri nke ọma maka mkparịtaụka n'etiti mmadụ na ibe ya bụ asụsụ. Ngoesi (2004:1) na-ekwu na "asụsụ bụ iji mkpụrụokwu nwegasịrị nghọta ndị e nwere ike ịsụ asụ, dee edee ma ọ bụ gụọ agụọ mee ka mmadụ mata mbunuuche onye ọzọ".

N'uche Anọzie (1999:11), asụsụ bụ "ụda sitere n'olu mmadụ nke nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche. Yule (2004:3) mere ka a mata na a bịa n'ihe gbasara asụsụ, o metụtara usoro mkpọpụta ụda na kwa nke e ji akụkụ ahụ dị iche iche emepụta, mana ihe kacha dị mkpa bụ, ndị ji ya ekwurịta ha ghọtakwara onwe ha?

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ Nchocha a bu atutu njirime, nke Ludwig Wittgenstein tuputara n'afo 1953. O mere ka a ghota na o bu ohanaeze nwe asusu na-enye asusu ahu echiche a choro ka asusu ahu nwee. Atụtụ a kwenyesiri ike n'omenala asusu o bula di iche iche. Ihe nke a putara bu na e nwere uzo di iche iche e si eji okwu aru oru n'onodu di iche iche. O na-akowakwa na onweghi okwu a ga-asi na o bu ihe a bu mputara ya wee ruo mgbe a huru ya n'usoro okwu.

Udemmadu (2018:53) na-ekwukwa na atụtụ njirime na-akọwakwa na mpụtara okwu ọ bụla na-esitekarị etu agbụrụ nwe asụsụ ahụ siri hụta ihe ahụ. O kwukwara na ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ chọrọ ka ya bụ ihe pụtara ha ga-abụ mpụtara ya. Ọ gbakwụnyere na ọ bụ ụdị ọnọdụ dị etu a mere otu ihe ji enwe aha dị iche iche n'agbụrụ asụsụ dị iche iche. N'ihi nke a, o nyere ọmụmaatụ iji kọwamie echiche ya dịka: a bịa n'asụsụ Igbo, aha ihe e ji azụrịta ahịa bụ '**ego**', na Yoruba, '**owo**', na Tiv, '**nyarị**', mana n'asụsụ Bekee, ọ bụrụ '**money**' ka a na-akpọ ya wdg. Iji mejue okwu, atụtụ a gbadoro ụkwụ n'okwu ndị Igbo sịrị, '**ihe ọ bụla mmadụ kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza'**.

**Asụsụ Òtù Ụmụakwụkwọ**

Ndị a bụ ụfọdụ asụsụ òtù ndị e nwetere n'aka ụmụakwụkwọ Alvan Ikoku Fedral kọleeji keedukeshọn, Owere kpọmkwem na mpụtara ha n'asụsụ òtù ha. A haziri ha n'usoro abịdịị Igbo.

| | Okwu Òtù | Mpụtara |
|---|---|---|
| 1. | Akata | Ebe a na-ere ihe dị iche iche n'oke ọnụ ahịa n'ụlọakwụkwọ Alvan |
| 2. | Alabama steeti | ụlọ mkpọrọ |
| 3. | Aladịmma | Ịrahụ n'ala nkịtị |
| 4. | Akamụ | Mmiri amụ |
| 5. | Ákọ̀nòkè | Okwu na ụka |
| 6. | Asa m | Enyi m nwaanyị |
| 7. | Arọbam | Enyi m |
| 8. | Anayọ | Onye na-arịọkarị mmadụ ihe |
| 9. | Ben ji | Agwa na ji esikọrọ ọnụ |
| 10. | Echebiri paak | Mpaghara ebe ụlọ obibi ụmụnwaanyị n'ụlọakwụkwọ Alvan ebe ụfọdụ n'ime ha na-anọ echebiri ndị enyi ha nwoke n'abalị ọbụla. |
| 11. | Egwi m | Onye anaghị apụ apụ |
| 12. | Espiikwele | I kwuru eziokwu? / a kọzikwala / kwuo eziokwu |
| 13. | Gwojom | Ezigbo íhé n'abụghị akụrụakụ / adịgboloja |
| 14. | Íbù ebù | Inwe nnukwu ego |
| 15. | Itinye aka | Ịchọrọ mmadụ ego |
| 16. | Ị́bụ́ katolik | Ìgwè mmadụ |
| 17. | Ịgbá àkpà | Inwe mmekọ nwoke na nwaanyị |
| 18. | Ịgbara ọgwụ ṅụọ | Kpachara anya |
| 19 | Ịgaghari agaghari | Ịpụ apụ |
| 20. | Igba T.T | Ịgbado nwaanyị / okwu ịhụnanya |
| 21 | Igbu ọkụkọ | Ịnọ na nsọ |
| 22 | Ịkụpụta égwú | Inye mmadụ ego |
| 23. | Ịnọgharị | Ịpụ apụ |
| 24. | Ịnọ mma | Inwe nnukwu ego |
| 25. | Ịra pịọm | Iri nri |
| 26. | Iri mmadụ | Ịnara mmadụ ihe ya n'ụzọ aghụghọ |
| 27. | Iri ụwa | Mmadụ iri ihe ọbụla ọ chọrọ / ihe gụrụ ya |
| 28. | Ịta akị ọnụ | Ịmịchasị mmadụ ọnụ |
| 29. | Ka ọ pụọ | Oge ezuola |
| 30. | Kpaa | Ịgbachi nkịtị |
| 31. | Kwechiri | Ịnọsi ike |
| 32. | Madụakọ leen | Ebe ụmụnwoke na-aga achọga ụmụnwaanyị oge ọbụla masịrị ha, malite n'ụtụtụ rue n'abalị |
| 33 | Mbọmchi | Ịgba akwụla / nwaanyị ịrahụ n'ụlọ nwoke abalị ọbụla |
| 34. | Mgbọ | Espo e ji eme mpụ ule |
| 35 | Mmiri oyi | Ihe ọbụla dị mfe n'omume |
| 36. | Nri nwa | Ára̍ |
| 37. | Oke rum | Onye ọbụla ịpụ apụ anaghị amasị |
| 38. | ọmata beeb | ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị nna ha nwere ego |
| 39. | Okpu eze | Rọba mkpuchi ámụ̀ / kọndọm |
| 40. | Onye mmelite | Onye na-ewepụta ego, ọ kachasị ebe ihe anaghị aga aga nke ọma |
| 41. | Onye òkìkè | Agbọghọbịa ótù nwoke anaghị ezuru òkè. |
| 42. | Onye ọcha | Enyi nwoke |
| 43. | Onye ụwa | Onye anabatabeghị Kraịst |
| 44. | Onye ọrụ | Ịgba akwụla |
| 45 | Onyeọma Eliza | Ime ka ezigbo mmadụ |
| 46. | Ọ kwa ị nọ ya | Eji m n'aka na uche gị dị n'ihe a na-ekwu. |
| 47 | Ụbụrụ ọkụkọ | Onye amaghị akwụkwọ / itibọrịbọ |
| 48 | Ụmụ nwa | Ụmụagbọghọ mara mma |
| 49 | Ụsụ enweghị ọnụ | Enweghị onye ga-ekwunwu okwu |

50. Wụsa ahụ Ịgbachi nkịtị

**Nchịkọta**

Nchọcha a lebara anya na nzipụta mpụtara asụsụ òtù ụmụakwụkwọ a hoọrọ na steeti Imo chọpụtara na e nwere ike site n'asụsụ òtù kwalite asụsụ Igbo ma mee ka asụsụ Igbo bawanye ụba karịa ka ọ dị na mbụ. Ihe nke a na-egosi bụ na ọ bụ n'okwu Igbo dịbu adị ka ndị òtù a siri mebe usoro asụsụ òtù ha gasị.

Nchọcha a chọpụtakwara na mpụtara okwu ndị a e nwere sitere na nsirihụ ndị òtù a na ka ha si hụta ya n'etiti onwe ha. Nke a gbadoro ụkwụ n'okwu Udemmadụ (2018:53) n'ihe atụtụ Ludwig Wittgenstein 1953 nke kwuru na mpụtara okwu ọbụla na-esitekarị etu agbụrụ nwe asụsụ ahụ siri hụta ihe ahụ. Ọ gbakwụnyekwara na ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ chọrọ ka ya bụ ihe pụtara ha ga-abụzi mpụtara ya.

**Mmechi**

Nchọcha a egosipụtala ihe bụ asụsụ òtù tinyere izipụta okwu ndị e sitere n'aka òtù a (ụmụakwụkwọ Alvan) nwete ma gosipụta mpụtara ha dị ka ha siri hụta ya. Ebe ọ dị etu a, nchọcha a kwenyesiri ike na asụsụ Igbo nwere ike isite n'okwu ndị a bawanye ụba, na kwa ime ka akpaokwu ya buo ibu karịa ka ọ dị na mbụ, ọ kachasị n'ebe asụsụ izugbe dị.

N'ikpeazụ, nchọpụta ọzọ bụ na ụfọdụ asụsụ òtù a bụzi ihe e ji akparịta ụka taa n'ebe ndị òtù a nọgasị. A tụkwara arọ ka ndị ga-eme ụdị nchọcha a n'ọdịniihu lebakwuo anya n'ụdị isiokwu yitere nke a iji chọpụta ihe ndị ọzọ nchọcha a na-achọpụtaghịnwu.

**Edensibịa**


Adeyanju, D. (2007). "Slang usage in educated Nigerian English: A sociolinguistic overview" Na Adeyanju, D. (ọhz). *Socio-linguistics in the Nigerian conteụt*. Ile-Ife: Obafemi Awolowo University press.

Anagbogu, P., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to Linguistics* (2nd ed). Awka: Amaka dreams.

Babatunde, S.T. & Shobomehin, T.O. (2006). "A sociolinguistic analysis of selected Nigerian context." Ile-Ife: Obafemi Awolowo University press. Ihu 145-175.

Barnwell, K. (1980). *Introduction to semantics and translation*. New York: Crowell.

Brook, G.L. (2000). *Varieties of English*. London: Macmillan press.

Chukwukere, F.N.N. (2015). Igbo ebee? Onye na-asụ, agụ, ede Igbo" na Theophilus I. Okere (ọhz). *Is Igbo condemned to be a dead language? The revitalization of the Igbo language and the integration of its dialects" Proceedings of the international symposium*. Nke ndị Whelan Research Academy, Owerri, Nigeria Vol. 2. No. 13. Ihu 291-308.

Crystal, D. (1997). *The Cambridge Encyclopedia Nigeria (2nd ed)*. Cambridge: Cambridge University press.

Dike, G.A. (2004). *Ndubata n'ọmụmụ lingwistiks nkọwa*. Owerri: Chiuba graphics

Ekpenyong, B. (2008). *The dynamics of English words*. Lagos: Minder international coinage.

Galperin, I.R. (1997). *Stylistics*, (2nd ed). Mascow: Progress publishers.

Leech, G. (1980). *Semantics*. London: Penguim books.

Mbata, C.O. & Ajileye, M.O. (2009). "A socio-linguistic survey of slang terms used by students of A.I.F.C.E., Owerri" na *Nka. A journal of language and the arts* No. 8 June, Owerri: School of Arts, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri. Ihu 1-14.

Muhammad, A. (2016). "A classificatory analysis of students slang: A case study of the university of Maiduguri students" na *Journal of linguistics, language and culture* Vol. 3 No. 1. Ihu 46-57.

Ndimele, O.M. (1999). Semantics & the frontiers of communication (2nd ed). Port Harcourt: Emhai press.

Ndimele, O.M. (2007). *Semantics and the frontiers of communication (2nd ed)*. Port Harcourt: University of Port Harcourt.

Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo*. Nkpor: Optical press.

Nwaala, G.E. (2004). Slang as a means of communication and exclusion from in-group among selected undergraduates of the Ahmadu Bello University, Zaria" na *Nile journal of English studies, Department of English studies, Faculty of Arts, management and social sciences Nigeria, University of Abuja*. Ihu 34-44.

Nwokedi, B.F.C. & nwokedi, C.E. (2013). "The implications of the use of slang as a variety of language among students" Na *Oluọha. A journal of languages, a publication of the schools of Arts, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State, Nigeria*. Vol. 2. Ihu 32-41.

Okere, O.F. (2015). "Nleghara anya nke ọrụ ezinaụlọ n'ichekwa asụsụ Igbo: Nsogbu na olileanya" na Theophilus I. Okere (ọhz). *Is Igbo condemned to be a dead language? The revitalization of the Igbo language and the integration of its dialects" Proceedings of the international symposium*. Nke ndị Whelan Research Academy, Owerri, Nigeria Vol. 2. No. 13. Ihu 338-357.

Okere, O.F. (2020). Ndehie 'Na': ileba anya n'edemede ụmụakwụkwọ Alvan Ikoku Federal kọleeji keedukeshọn, Owere n'ime *Enyo*. *Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo*. Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia, Fakọlti keaatị, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka Steeti Anambra, Naịjirịa.

Oluikpe, B. & Anasiudu, B. (2006). *Dictionary of Nigerian English slang.* Nsukka: Rex Charles Patrick.

Oluikpe, B.O.N. (1987). "Synonymetries" na *Journal of linguistics and African languages*, Nsukka. Ihu 62-87.

Udemmadụ, T.N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu (semantiks)*. Onitsha: Durability prints.

Udofot, D. (1999). *An introduction to the morphology of English.* Uyo: Scholars press

Wardhaugh, R. (1992). *An introduction to sociolinguistics (2nd ed)*. Blackwell: Oxford.

Yule, G. (2004). *The study of language*. (2nd ed.) Cambridge: Cambridge University Press.